# JEKỌB NIME HERAN -- ỌGBỤGBANDỤ AHỤ NA MIZPA

**Jenesis 29:1-20; 30:25-34; 31:1-24, 36-55**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 24 - Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye nālu ọlu aghụghọ agagh-ebi n'etiti ulọm: onye nēkwu okwu-ugha agagh eguzosi ike n'iru anyam" (Abù Ọma 101:7).**

**I Njèm Jekọb rue Heran**

1. Jekọb bịaruru Heran mgbe ọ rapụsịrị Betel, Jenesis 29:1-4; 11:31
2. Nzute Jekọb zutere Rechel na Leban, ndị agbụ̀rụ̀ ya, Jenesis 29:5-14; 24:29; 25:20
3. Mkwekọrịta nke dị n'etiti Leban na Jekọb, Jenesis 29:15-20

**II Ngọzi Nke Chineke Enyere Jekọb**

4. Ngọzi Chineke bịakwasịrị Leban n'ihi Jekọb, Jenesis 30:25-30; 18:32
5. Àtụ̀mààtụ̀ Jekọb ka ekèe anụụlọ niile ahụ n'ụzọ kwesịrị ekwesị, Jenesis 30:31-34
6. Omume nke Leban ibo Jekọb ebubo, Jenesis 31:1-3
7. Aghụghọ Leban, na ụgwọọlụ nke dakwasịrị onye nghọgbu ahụ, Jenesis 31:4-10

**III Ọpụpụ Jekọb Site Na Heran**

8. Iwu Chineke nyere banyere nlaghachi Jekọb na Kenean, Jenesis 31:3, 11-13
9. Èzínaụlọ Jekọb jikọtara ọnụ n'ihi otù ihe, Jenesis 31:14-16; 2:24
10. Leban amataghị ihe banyere ọpụpụ ahụ, Jenesis 31:17-21
11. Nchụso ịbọ̀ọ̀bọ̀ nke Leban na ịdọakanántị Chineke dọrọ ya, Jenesis 31:22-24, 29

**IV Ọgbụgbandụ Ahụ Na Mizpa**

12. Jekọb kwuru ọnụ ya bnayere arọ niile nke o jere ozi n'ikwesị ntụkwasịobi, Jenesis 31:36-42
13. Leban ghọtara ọnọdụ nke Jekọb, Jenesis 31:43
14. Ọgbụgbandụ ha nke náadịgide "ka JEHOVA che nche n'etiti mu na gi," Jenesis 31:44-55

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Mgbe mnwapụta nke mgbanwe obi nke Jekọb gasịrị na Betel, ebe azọpụtara ya na ebe ọ natakwara mkwà nke Chineke, ọ malite kwara ijè ya ịgá Heran. Ọ bụ ihe ra ka narị maịlị anọ na iri ise, n'ijè ụgbọelu site na Kenean ebe nna ya biri, rue Heran, ebe agbụrụ ya ndịọzọ bi.

Abraham ezipụworị orù ya rue Heran ịchọtara Aisak nwunye. Ọ dị n'etiti ọwụwaanyanwụ na ugwu nke Kenean, ebe Chineke si kpọọ Abraham, na n'etiti ugwu na ọdịdaanyanwụ nke ala Ua, ebe o si pụta na mbụ. N'ijè ya ịga ala ahụ ekwere ná mkwà, Abraham kwụsịrị na Heran n'ihi ọrịa na ọnwụ nke nna ya, ma mgbe ọ malite kwara ijè ya ụfọdụ ndị èzínaụlọ ya rọọrọ ịnọdụ n'ebe ahụ. Jekọb n'oge nsogbu ya, rọọrọ ijekuru ụmụnna ya ndịa n'ihi na ha nwere nsọpụrụ dị elu nye Chineke nke Abraham karịa ndị bi n'ala Kenean, bụ́ ndị náekpere arụsị dị icheiche.

Nzute Jekọb zutere Rechel na nna ya, Leban, bụ nke náemetụ n'arụ nke ukwuu. Jekọb hụrụ Rechel n'anya ma kwenye ịlụọlụ arọ asaa ka o nwee ike ịlụrụ ya dịka nwunye ya – Chineke gọziri ya ebe o mezuru akụkụ nke ya na mkwekọrịta ha, ewee site kwa na ya gọzie Leban. Nke a bụ kwa mmezu nke mkwà Chineke buru ụzọ kwee Abraham. Chineke sịrị na Ya gaeme ka mba dị ukwuu si na mkpụrụ Abraham pụta na Ọ gaagọzi kwa ndị ná agọzi Abraham na mkpụrụ ya ma kọchaa kwa ndị náakọcha ya (Jenesis 12:3). Akụkọ banyere ụmụ Abraham, Ndị Ju, ndị bụ mkpụrụ nke anaahụ́ anya, na ndị Kraist ndị bụ mkpụrụ nke ihemmụọ egosiwo mmezu nke mkwà a ọtụtụ ugbò. Mba dị icheiche emegidewo Ndị Ju ma anaahụ́ mgbe ọ bụla na anaemeri ma kwatue ndị ahụ.

Otú a ka ọ dịkwara mmadụ ọ bụla taa. Anyị ahụwo ọtụtụ mgbe na ikpé nke Chineke naadakwasị ndị niile náemegide ma náabụ kwa ndị nke Chineke ọnụ. Chineke naarịba ndị niile náagọzi ndị nke ya àmà, Ọ naedebere ha ngọzi ọ bụ ezie ma eleghịanya ha abụghị ndị nke Kraist.

Nime Okwu Chineke agụkọrọ aghụghọ n'ebe ihe ọjọọ jọgburu onweha nọ, ndị náejeso kwa ya ka agwara na ọdọ ọkụ ahụ gaabụ ihe nketa ha rue ebighịebi (Nkpughe 21:8). Jekọb na nne ya jiri aghụghọ bugharịa ngọzi nke

nnenanna ya n'ebe Ịsọ nọ; n'ihi mmehie ha, Jekọb gbapụrụ n'ike site n'ụlọ wee gaa n'obodo ọzọ. Ọ hụrụ ọtụtụ ahụhụ n'ihi okwuụgha ya, ma náagbaghị agụgọ ọ tara onwe ya ụta ọtụtụ mgbe n'ihi omume ya.

Ewezugaghị ahụhụ aghụghọ Jekọb n'ihi na ọ gbapụrụ site n'ụlọ. Mgbe ọ nọ na Heran emere ka ọ bụrụ onye nke onyeọzọ ghọgburu. O furu ya ọtụtụ arọ nke ịdọgbu onweya n'ọlụ, ịnapụ ya ihe ruuru ya, na ahụhụ nke anụarụ, n'ekwughị banyere ọtụtụ arọ ndị ahụ nke ọ nọ náání ya n'ihi nkewapụ ahụ ekewapụrụ ya site n'èzínaụlọ ya. Ná mkparịtaụkà **ya** na ógọ̀ ya nwoke bụ́ Leban, o jiri mkwuwaokwu kọwapụta ahụhụ ya mgbe ọ sịrị: "Otú a ka m'nọworo; n'ehihie ọkpụkpọ-nku ririm, ọtutu-oyi ri-kwa-ram n'abali; uram wee fepu n'anyam abua. Oru arọ a ka m'nọworo n'ulọ-gi; …. ị gbanwewo kwa ugwọ-ọlum ugbò iri" (Jenesis 31:40, 41).

Akwụkwọ Ilu na enye anyị amaokwu doroanya banyere isi okwu a. "Ihe-árú n'anya JEHOVA ka egbugbere-ọnu okwu-ugha bu: ma ndi ji ezi-okwu eme ihe bu ndi ihe-ha nātọ Ya utọ" (Ilu 12:22); "Agagh-agu onye-àmà okwu-ugha n'onye nēmegh ihe ọjọ; ọzọ onye nēkupu okwu-ugha dika ume agagh-ewepuga onwe-ya" (Ilu 19:5). Ndịa na okwu ndịọzọ pụtara ìhè nke sitere n'Akwụkwọnsọ, naegosi anyị ahụhụ nke náechere onye ahụ nke náarapụ eziokwu, náadabere iji okwuụgha rịtara onweya urù ná etufughị oge.

Mgbe Chineke hụrụ na Jekọb ahụwo ahụhụ otú o kwesịrị n'ihi mmehie niile ya nke o mere tupu o zute Chineke na Betel, Ọ gwara ya ka ọ laghachi n'ala Kenean, náekwe kwa ya mkwà ịnọnyere ya n'ijè ahụ (Jenesis 32:9). Mkwà dị otú a dị mkpà nke ukwuu iji gbaa Jekọb ume n'oge a; n'ezie ọ bụ ụzọ dị nnọọ ike iji kwagide ya n'ogologo ijè ahụ niile, nke ka nke mgbe ọ nụrụ na nwanne ya nwoke bụ Ịsọ ji narị ndịkom anọ site n'etiti ndịorù ya náabịa izute ya (Jenesis 33:1).

N'ihi aghụghọ nke dị ná mmeso niile nke Leban mesoro Jekọb na otú ọ gaesi bụrụ ihe sịịrị ya ike ma ọ bụrụ na Leban amata na ọ naala, Jekọb rapụrụ náagwaghị ọgọ ya nwoke. N'ịrapụ Heran, Jekọb natara okwu Chineke dịka ihe nyere ya ike, na mkwagide nke ndị nwunye ya dịka ihe ịgbaume na ihe iwuli mmụọ ya elu. Ntọala nke Chineke site ná mmalite, bụ na di na nwunye gaarapụ ụlọ nnenanna ha mgbe ha lụrụ wee biri iche; ọ bụ náání n'ihi nke a ka o ji bụrụ ihe kwesịrị ekwesị ka Jekọb rapụ Heran.

Leban jiri óké iwe chụsoo ndịa n'azụ, ma Chineke dọrọ ya akanántị tutu ọ gbakute ha ka ọ ghara ime ha iheọjọọ ọ bụla. Rechel ezuruwo arụsị nna ya n'ori, eleghịanya n'ihi na o chere na ha nwere ike pụrụ iche bụrụ kwa ihe pụrụ ikpughere Leban ebe ha nọ, ka o wee nwude ha ọsọsọ. Jekọb amataghị ihe banyere izuori a, onye boro nna nwunye ya ebubo na o kwuruokwu ụgha megide ha. N'ihi mkwuwa okwu nke obi dị ọcha Jekọb kwenyere ka achọọ ma kwagide na onye ọ bụla achọtara ya n'aka ya aghaghị ịnwụ. N'ihi iruọma nke Rechel na Jekọb, achọtaghị arụsị ndị ahụ; nke a mere ka aghara igbu Rechel. Eleghịanya Jekob amataghị na onye dara iwu a bụ nwunye ya nke ọ hụrụ n'anya; ma n'ihe ndịa anyị pụrụ ịhụ aka Chineke nime ya. Mkwuwaokwu a nke Jekọb nwere naegosi enweghị amamikpe nke obi ya ma Chineke sọpụrụ ya; kama mmehie agaghị agabiga ná enweghị ụgwọọlụ, ọbụná mgbe anaamataghị onye ahụ nke mehiere. Ọ bụ ihe pụtara ìhè na Rechel nwụrụ n'oge náadịghị anya mgbe nke a gasịrị, ewee mezue mkwà Jekọb, ọ bụ ezie na ọ mataghị ihe wetara ọnwụ ya. "N'ihi na JEHOVA, anya-Ya nējeghari n'uwa nile" (2 Ihe Emere 16:9), ọ dịghị ihe ọ bụla nke pụrụ izopụ n'anya nnyocha Ya.

Ọgwụgwụ nke mmekọrịta Leban na Jekọb bụ ọgbụgbandụ ha gbara na Gilead. Nke a ka amaara dịka ọgbụgbandụ nke Mizpa. Ebe nke a bụ aha ọzọ enyere ebe ahụ. Isiokwu ọgbụgbandụ a ka anaejikarị eme ihe ọtụtụ mgbe ndị mmadụ naekewapụ onweha n'ebe ndị ha hụrụ n'anya nọ, dịka ihe náegosi ịhụn'anya na mmekọrịta nke kekọtara obi ha niile n'otù. "Ka JEHOVA che nche n'etiti mu na gi, mgbe agēzopu ayi, otù onye n'ebe ibe-ya nọ." Mgbe ha kwekọtara, Leban na Jekọb wee were nkume mee óbò nke ịkpa-okè. Ọ dịghị onye gaagafe òkè ahụ ime ibe ya ihe ọjọọ maọbụ ịmerụarụ n'ihi ịbọ óbọ̀ nke ihe ọ bụla garaaga. Ọ bụ ihe ngosi n'etiti ha.

Otù ihe nke dị mkpà icheta banyere ọgbụgbandụ a na Mizpa bụ ihe ahụ dị iche n'etiti ya na ọgbụgbandụ ndịọzọ maọbụ mkwekọrịta dị icheiche, nke ha kwekọrịtara iriarọabụọ garaaga. Mkwekọrịta niile ọzọ ahụ bụ ihe emere n'etiti mmadụ na ibe ya; na, dịka mkwekọrịta nke ụbọchị taa, nke anaemebi n'oge náadịghị anya mgbe emesịrị ha. Ma na nke a ha ghọtara mkpà ọ dị bụ ọgbụgbandụ ahụ wee kpọọ Chineke ka ọ bụrụ Onyeàma n'etiti ha – webata Chineke nime ya. Leban amatawo banyere Chineke nke Jekọb wee mara na Ọ bụ Chineke nke dị ike, dị kwa ukwuu, nke na ekpe kwa ikpé ziriezi. O nyere Chineke ọnọdụ na ndụ ya – nke ka nke n'ọgbụgbandụ a nke ha gbara, ma eleghịanya n'ụzọ kachasị ukwuu. Ọgbụgbandụ a dịka anyị maara ya, bụ nke anaemebighị maọbụ wezuga ya n'akụkụ, nke na egosi kwa anyị ọzọ na àtụ̀mààtụ̀ ọ bụla nke emere ná enweghị ndụmọdụ maọbụ inye aka nke Chineke bụ ihe were anya na agaemebi, ma ndị ahụ nke emere site n'inyeaka Ya na nduzi Ya bụ ndụ gaaga n'iru.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Jekọb ji náagbapụ ijé Heran?
2. Òlee otú Leban ji bụrụ onye agbụrụ Jekọb?
3. Ndụ Jekọb n'oge a ọ̀ naegosi mgbanwe nke sitere ná nzute o zutere Chineke na Betel?
4. N'ụzọ dị añaa ka ngọzi dị icheiche nke Chineke si rue Jekọb mgbe ọ nọ na Heran?
5. Òlee oge ọzọ, Ònye kwa jere ijè rue ụlọ Leban nime Heran?
6. Òlee ụzọ anyị pụrụ isi kwue na ahụhụ niile nke Jekọb nime Heran bụ ihe omume ochie ya lụpụtara?
7. Site n'ike onye ka Jekọb ji rapụ Heran?
8. Òlee omume ndị nwunye Jekọb mere mgbe ọ gwara ha na ọ naarapụ obodo na ala ha?
9. Leban ò kwenyere ọpụpụ nke Jekọb na mbụ?
10. Kwue okwu ndị ahụ amaara nkeọma nke bụ isiokwu nke ọgbụgbandụ ahụ na Mizpa.